# NDỌTỊ ỤDAUME N'ABỤ ỌNWỤ NDỊ OKO NKE STEETI ANAMBRA

**Ihedigbo, Ruth Ebere[1]; Chukwudi-Emesirionye, Constance Ọdịmma[2] & Nwizu, Pauline Chinasa[3]**
**Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka[1]; National Institute for Nigerian Languages, Aba[2]; Linguistics, and Nigerian Languages, Alvan Ikoku Federal University of Education, Owerri[3]**
ebere.ihedigbo@unn.edu.ng; odimmaconstance@gmail.com; paulinecnwizu@gmail.com

**Ụmị**
Ndọtị ụdaume bụ otu ihe so na-eweputa mma abụ. Nke a mere o jiri bụrụ otu ngalaba a na-eleba anya na nnyocha abụ. Nchọcha a lebara anya na ndọtị a na-adọtị ụfọdụ ụdaume n'abụ ọnwụ ndị Oko, nke dị na steeti Anambra. Nchọcha a bụ nke kwọlitetivu, bụ nke e jiri usoro nnonye nlere họta abụ ọnwụ ndị Oko isii gosipụtara ndọtị ụdaume, nke gosiri mbunuche nchọcha nke bụ igosipụta ndọtị ụdaume n'abụ ọnwụ ndị Oko nakwa ịchọpụta ụdaume ndị a na-adọtị na ndị anaghị adọtị. E ji atụtụ ọdịdị mee nnyocha njiatụle. Ka a tụchachara njiatụle, a chọpụtara na ụdaume abụọ, nke bụ /o/ na /e/ ka a na-adọtịkarị n'abụ ọnwụ ndị Oko karịa ndị ọzọ. Adọtịghị ụdaume isii ndị ọzọ bụ /a/ /i/ /ị/ /ọ/ /u/ na /ụ/ n'abụ ọnwụ ndị anyị tụchara. A chọpụtakwara na ndọtị a na-adọtị ụdaume ndị a na-enye aka iwepụta nkamma n'abụ ọnwụ ndị a tụchara ma nyekwa aka na ndanusoro.

**Ọkpụrụkpụ okwu**: Ọnwụ, Ịkwa ozu, Abụ ọnwụ, Ụdaume, Ndọtị ụdaume.

**Abstract**
Vowel lengthening is one of the things that brings out the aesthetics of poems. This is why it is one of the aspects examined in poetic analysis. This study undertakes vowel lengthening in the death songs of the Oko people of Anambra State. It is a qualitative research study that uses observation to select six songs, highlighting the specific objectives of the study: to identify vowels that are lengthened and those that are not. Formalism served as the theoretical tenet for data analysis. After the data analysis, it was found that only two vowels, /o/ and /e/, are the most lengthened in the death songs of the Oko people. The remaining vowels /a/ /i/ /i/ /o/ /u/ na /ụ/ were not lengthened in the analysed songs. It was also found that vowel lengthening helps bring out the aesthetics of songs and their rhythm.

## Mkpọlite

Ndị Igbo dị ka agbụrụ ndị ọzọ na-enwe mmasị n'abụ. Nke a bụ nke malitere na mgbe gboo, mgbe ha malitere ndụ ha. Abụ bụ otu ihe anaghị achọ achọ na mmemme ndị Igbo. Ọ bụghị naanị na mmemme ha, ha na-agụkwa abụ dị iche iche ma na nzukọ ha. Ha nwere abụ dị iche iche ha na-agụ mgbe ọbụla na ọnọdụ ọbụla ha nọ. Maka na abụ ndị a nwere nghọta na mpụtara dị iche iche, ha anaghị agụ abụ ọbụla masịrị ha n'oge ọbụla ọ masịrị ha. Nke a mere e jiri nwee ụdị abụ ọnụ dị iche iche nke gunyere: abụ ọṅụ nwa, abụ une, abụ akwa arịrị, abụ ifo, abụ mkpọku, abụ otito, abụ nkọcha, abụ ngụgọ, abụ agha, abụ ntọaja/ofufe, abụ akwamozu dgz (Nwadike, 1992).

Ndị Igbo bụ ndị kwenyere na mmadụ na-anwụ anwụ. Ha kwesiri ike na mmadụ nwụọ, na onye ahụ ga-aga n'ala ọzọ bụ n'ala mmụọ gaa biri. Kastenbaum (2007) hụrụ ọnwụ dị ka ọgwụgwụ ndụ ihe dị ndụ, nke na-enweghị mgbanwe site n'usoro ndụ baa n'ọnọdụ enweghi

ndụ. Onye nwụọ n'ala Igbo, a na-emere ya omenaala dị iche iche nke ga-eme ka onye ahụ nwee ezumike ma mekwa ka ndịichie ya nabata onye ahụ. Ha kwenyere na onye akwaghị nke ọma n'oge olili ya, anaghị enwe ezumike. Ka ndị Igbo na-akwa onye ahụ, ha na-eme ọtụtụ emereme dị iche iche nke ịgụ abụ so n'ime ha. Ndị Igbo na-agụ abụ ọnwụ iji kasie onwe ha obi maka onye ahụ nwụnahụrụ ha.

Abụ ọnwụ bụ otu n'ime ngalaba abụ ọnụ ndị e nwere n'abụ ọnụ dịka a kọwara na mbụ. Nke bụ abụ ọnụ ndị ahụ ndị mmadụ na-agụ ma mmadụ nwụọ bụ nke e ji akwa mmadụ. Abụ ọnwụ na-egosi oke mwute maka onye ahụ hapụrụ ezinaụlọ ya wee laa mmụọ. O nwere ike bụrụ iji tie onwe ha aka n'obi maka onye ahụ nwụrụ anwụ maọbụ iji katọọ ọnwụ maka ihe arịrị, apa alala na obi mgbawa o weteere mmadụ. Ụfọdụ abụ ọnwụ na-ewetakwa olile anya nye ndị mmadụ bịara olili na ndị mmadụ nwụnahara. Ụdị abụ a bụ abụ nchọcha a hiwere isi na ya. Finnegan (2012), kọwara abụ ọnwụ dị ka abụ ọdịnaala ndị ahụ a na-agụ oge olili onye nwụrụ anwụ, bụkwa nke na-egosi mwute, nkwanye ugwu na ncheta site n'ọdịnala ndị.

Nchọcha a na-enyocha ndọtị a na-adọtị mkpụrụedemede ụdaume e nwere n'asụsụ Igbo dị ka o si pụta ihe n'abụ ọnwụ ndị Oko. N'asụsụ Igbo, mkpụrụedemede e nwere dị iri atọ na isii (36) n'ọnụọgụgụ, bụ nke juputara na mgbochiume na ụdaume. Mgbochiume dị na mkpụrụedemede Igbo dị iri abụọ na asatọ, ebe ụdaume dị asatọ n'ọnụọgụgụ. Ụdaume asatọ ndị a nwere ndị a na-adọtị n'abụ ọnụ Igbo, ọkachasị n'abụ ọnwụ Igbo. Ọ bụ nchọcha ụdaume ndị ahụ a na-adọtị n'abụ ọnwụ ndị Oko nke steeti Anambra bụ isi sekpu ntị nchọcha a.

## Ntụleghari̇ agụmagụ

Na mpaghara a, a tụleghariri ihe ndị e merela yitụrụ nke e ji n'aka ugbu a site n'ịgbado ụkwụ n'ihe ndị a: Mpụtara okwu ụfọdụ, atụtụ nchọcha na nchọcha ndị e meerela yiri nke e ji n'aka.

### Mpụtara okwu ụfọdụ

N'ebe a, a na-eleba anya na mpụtara okwu ndị a: ọnwụ, ịkwa ozu, abụ ọnwụ, ụdaume na ndọtị ụdaume.

### Ọnwụ

Ọnwụ bụ ọnọdụ na-adakwasị mmadụ, a sị na onye ahụ abụrụla ozu. Ezeuko (2009) hụrụ ozu dị ka onye ndụ adịkwaghị n'ime, bụ onye nwụrụ anwụ, nke okpokoro ya buzi ozu. Akwụkwọ ọkọwa okwu ndị ahụike a kpọrọ *Mosby's Medical Dictionary* (2021), kọwara ọnwụ dịka: nkwụsị mmegharị ahụ mmadụ nke gunyere: nkụkụ mkpụrụobi, mmegharị ụbụrụna nkuruume.

### Olili na Ịkwa Ozu

Ịkwa ozu bụ omenaala pụrụ iche ndị Igbo na-emere onye nwụrụ anwụ nke bụ ugwu na nsọpụrụ ikpeazụ a na-akwanyere onye ahụ n'oge olili ya. Ezeuko (2009) kọwara na akwamozu bụ nke dịịrị onye ọbụla n'ala Igbo ma ndị enyi ma ndị iro. Ọ gara n'ihu wee kwuo na ndị Igbo kwenyere na mmadụ na ibe ya na-ese okwu, na esemokwu ahụ ekwesighị iru n'ọnwụ. Ndị Igbo kwenyere na ozu akwaghị akwa anaghị ezu ike na ndokwa n'ala mmụọ. Ọ bụ n'ihi nkwenye a ka ndị Igbo ji akọ mmadụ ọnụ: "Ị na-agaghari̇ ka ozu akwaghị akwa."

### Abụ Ọnwụ

Abụ ọnwụ bụ abụ ndị ahụ a na-agụ n'oge olili maọbụ akwamozu. Okpewho (1992) kwuru na abụ ọnwụ bụ abụ ndị ahụ a na-agụ n'oge akwamozu nke e sina ya ezipụta nsiniwu nke gụnyere: obi isi ike, ndidi na nhụrụụwa ndị. Nketia (1974), n'aka nke ya, kọwara abụ ọnwụ dị

ka abụ ndị ahụ a na-agụ nke na-egosi iri ụjụna ịla nke ọma, bụ nke a na-ejikarị agwa mmụọ onye nwụrụ anwụ okwu ma kasie ndị o metụtara obi. Ogunba (1997) n'onwe ya kọwara abụ ọnwụ dị ka mmereme ọdịnaala ndị mba Afịrịka, nke a na-emere onye nwụrụ anwụ iji sị ya lakwuru ndịichie ya n'udo bụ nke e si n'abụ na mbem emepụta.

## Ụdaume Igbo

Ụdaume Igbo bụ ụda ndị ahụ na-anaghị enwe mgbochi ikuku mgbe a na-akpọpụta ha. Nwanze (2018), kọwara ụdaume dị ka ụda ndị ahụ anyị na-eme ma anyị na-ekwu okwu na-emechighi ọnụ anyị maọbụ okpo anyị. Ọ gara n'ihu wee kwuo naọgan okwu anaghị abịakọta ọnụ iji kpọpụta ụdaume nke mere ikuku si n'ọwa ikuku si aga werewere. Ụdaume Igbo dị asatọ n'ọnụọgụgụ. Ha bụ: A E I Ị O Ọ U Ụ. E kere ụdaume ndị a ụzọ abụọ, ha bụ ụdaume mfe maọbụ otu A na ụdaume arọ nke a na-akpọkwa otu E. Ụdaume mfe maọbụ otu A bụ: A Ị Ọ Ụ. Ebe ụdaume arọ maobụ otu E bụ: E I O U. E kekwara ụdaume ụzọ abụọ, nke sitere n'ebe mkpọpụta ha. Ha bụ ụdaume ihu na ụdaume azụ. Ụdaume ihu bụ ụdaume ndị ahụ ebe mkpọpụta ha nọ bụ n'ihu ire, ha bụ: I Ị E A. Ụdaume azụ bụ ụdaume ndị ahụ ebe mkpọpụta ha nọ n'azụ maọbụ n'ukwu ire, ha bụ: O Ọ U Ụ.

## Ndọtị Ụdaume Igbo

Ndọtị ụdaume Igbo bụ ọnọdụ a na-ahụ n'ụfodụ abụ, ebe a dọtịrị ụdaume mechiri ahịrịabụ. Gordon na Munro (2007) hụrụ ndọtị ụdaume dị ka mgbatị a na-agbatị ụdaume na ngwụcha nkebiahịrị, okwu maọbụ na ngwucha ahịrịabụ. Ha gara n'ihu kwuo na a bịa n'abụ, nke a na-apụta ihe na mgbatị ụdaume dị ogologo na ngwụcha ahịrị ma na-arụ ọrụ ka ókè nke na-enye aka na nhazị mita na mmepụta ekwuru n'ọnụ.

## Ndakọrịta Ụdaume

Dị ka a kọwarala n'elu, e kewara ụdaume asatọ e nwere n'Igbo ụzọ abụọ. Otu A = A, Ị, Ọ, Ụ, na otu E = E, I, O, U. Ndakọrịta ụdaume bụ iwu na-akwado na ndepụta okwu Igbo, ụdaume niile ga-apụta na mkpụrụokwu ahụ ga-esiriri n'otu òtù ụdaume pụta. Ịmaatụ: ego, enyi, akụ, ọkụkọ dgz. Ụfọdụ ebe anaghị enwe mbimbi/mbite, igbonizeshọn, isi ngwaa abụọ maọbụ karịa dgz.

## Nchọcha E Merela Gbasara Isiokwu

E nweela ọtụtụ nchọcha e merela yiri nke e ji n'aka. Ndị dị ka: Alkumet, Rushet naMahdi (2023), Amin na Lufti (2023), na ọtụtụ ndị ọzọ emeela nchọcha yiri nke e ji n'aka.

Alkumet (2021) na nchọcha ya ọ kpọrọ "*The Phonological Analysis and Alliteration of selected Poems in the 1840s Poetry,*" nyochara abụ ise bụ nke a gụrụ n'afọ 1840. O nyochara ya n'ogo ụda. O lebara anya na ngwa akanka dị iche iche n'ogo ụda nke gụnyere: bịambịakwa mgbochiume, bịambịakwa ụdaume, ndanusoro na mita abụ ndị ahụ. Ọ chọpụtara na ọkpọabụ ise ndị ahụ ji ngwa ụda ndị a kwara ngwa ọrụ. Nchọcha ana nke e ji n'aka yiri onwe ha n'ihi na ha abụọ na-ekwu maka abụ. Mana ihe dị iche n'etiti ha bụ na nke a na-ekwu maka abụ ndị a gụrụ n'afọ 1840, ebe nke a e ji n'aka na-ekwu maka abụ ọnwụ ndị Igbo.

Mahdi (2023) mere nchọcha gbasara bịambịakwa mgbochiume nke dị n'ogo ụda ma bụrụ ngwa akanka abụ William Blaken'abụ ndị ọ kpọrọ "TygerTyger", "The chimney sweeter" na "The Garden of Love". Nchọcha a gosiri oke uru bịambịakwa mgbochiume bara naka o si bụrụ ihe juru n'abụ a gụrụ n'agba senturi iri abụọ. Ajụjụ ndị nchọcha a zara gunyere: (1) Kedụ ka bịambịakwa mgbochiume si arụ ọrụ n'ogo ụda n'abụ ndị a gụrụ n'agba senturi iri abụọ? (2) Kedụ ụdị bịambịakwa mgbochiume ka apụta ihe n'abụ agba senchuri iri abụọ? (3)

Bịambịakwa mgbochiume dịka ngwa ụda, kedụ ka o si enyere ọgụụ aka? Nchọcha a nabatara ngwa "Leech Model" bụ nke o ji rụọ ọrụ. Nchọcha a na nke e ji n'aka yiri maka na ha abụọ na-ekwu okwu gbarasara abụ n'ogo ụda. Mana ihe dị iche bụ na nke a na-ekwu maka abụ otu onye a kpọrọ William Blake, ebe nke e ji n'aka na-ekwu maka abụ ọnwụ ndị Igbo. Ihe ọzọ mekwara ha ji dị iche bụ maka nke a na-ekwu maka bịambịakwa mgbochiume ebe nke e ji n'aka na-ekwu maka ndọtị ụdaume.

Amin na Lufti (2023) mere nchọcha nke ha kpọrọ "Phonological Signs and their Interpretation in Dickinson's Mystic Poems" nke bụ nchọcha gbasara akara na mpụtara ha n'ogo ụda n'abụDickinson. Nchọcha a ji abụ Emily Dickinsonmee njiatụle ya. Nchọcha a gbadoro ụkwụ nannyocha akara ụda na mpụtara ha na ọrụ ha na-arụ na nghọta obi mmadụ. Ha gara n'ihu wee kwuo na ihe ọbụla bụ abụ bụ ụda dị iche iche a chịkọtara ọnụ dịka iwu asụsụ ahụ siri dị. Ogo ụda e lebara anya na nchọcha a gụnyere: bịambịakwa mgbochiume, bịambịakwa ụdaume, nsinaụda na ndanusoro. Ọ chọpụtara na abụ Dickinson bu abụ dabara nke ọma n'iwepụta ụda ndị a ma nwekwa ezigbo nghọta. Nchọcha a na nke e ji n'aka yiri onwe ha maka ha abụọ na-ekwu maka ụda n'abụ. Mana ihe dị iche bụ na nke a na-ekwu maka bịambịakwa mgbochiume, bịambịakwa ụdaume, nsinaụda na ndanusoro ebe nke e ji n'aka na-ekwu maka ndọtị ụdaume n'abụ. Ihe ọzọkwa dị iche bụ na nke a na-ekwu maka abụ out onye bụ Emily Dickson, ebe nke e ji n'aka na-ekwu maka abụ ọnwụ ndị Igbo nke bụ abụ ọnụ.

**Atụtụ Nchọcha**

Atụtụ ọdịdị bụ atụtụ e ji mee nchọcha a. Atụtụ a na-enyechọ ka ọkpọabụ siri hazie abụ ya. Ọ na-agba mbọ ịza ajụjụ ndị a: Kedụ ụdị ahịrịabụ ndị ọkpọabụ webatara n'abụ ha? Ahịrịabụ ndị ahụ, ha dị ogologo ka ha dị nkenke? Kedụ ka o si hazie mkpụrụokwu ndị mebere ahịrịabụ ndị ahụ? Ahịrịabụ ole mebere nkeji abụ ọbụla? Nkeji ole dịn'abụ ahụ? Kedụ ihe ndị ahụ ọkpọabụ ji chọọ abụya mma? Kedụ ụdị ndanụsoro batara n'abụ ahụ? Atụtụ a na-agbado ụkwụ n'inyocha ọdịdị agụmagụ. Ndị tụpụtara atụtụ ọdịdị gụnyere: Victor Shlovsky, Roman Jakobson na Boris Eichenbaun (Abrams & Harpham, 2012). Akaeze, Abọ na Ugwuoke (2021) kwuru na atụtụ ọdịdị anaghị anabata mmekọrịta na-adị n'etiti agụmagụ na ngalaba ọmụmụ ndị ọzọ dịka ọmụmụ ụbụrụ na ọmụmụ obodo. Ha gakwara n'ihu wee kwuo na atụtụ ọdịdị anaghị ewebata ihe gbasara, akụkọala, ọnọdụ obodo, nsirihụ ụwa maọbụ ndọrọ ndọrọ ọchịchị na ntụcha agụmagụ ya. Naanị ihe bụ isi nnyocha atụtụ ọdịdị bụ ngwa agụmagụ na nkamma dị n'ọrụ agụmagụ. Ihe ọzọ ha kwukwara bụna atụtụ ọdịdị na-enyocha ọrụ agụmagụ iji hụ ma ọ gbasoro usoro kwesịrị ekwesịn'ide ụdị agụmagụ ahụ. Atụtụ a bụ atụtụ dabara nke ọma na nchọcha a maka na isiokwu nchọcha a hiwere isi na ndọtị ụdaume, nke so na nkamma abụ ọnwụ ndị Igbo.

**Usoro Nchọcha**

Usoro nchọcha nke nchọcha a gbasoro bụ usoro nkọwa sovee. Ebe nchọcha a gbadoro ụkwụ bụ n'Oko nke dị na steeti Anambra di n'ala Igbo. A kpachara anya họrọ mmadụ abụọ site n'obodo ise mebere Oko bụ Ezioko, Eziabọ, Okeanị, Ifite na Ihenagwu. Otu onye na mmadụ abụo ndị a họrọ bụ ọkpọ abụ ebe onye ọzọ bụ onye nkwee. Ha niile bụcha ụmụnwaanyị gbara site n'afọ iri anọ ruo na iri asaa. Ihe ha ji bụrụ sọ ụmụnwaanyị bụ na anyị chọpụtara na ọ na-abụkarị ụmụnwaanyị na-abụ ọnwụ n'Oko. Ọ bụ usoro nnonye nlere ka e ji nweta njiatule. E seere olu ndị ọgụụ na rekoda mechaa geghariạ, deputa ihe ha gụpụtara n'olundị ma tụchaa ha site n'ịchọpụta etu ha si agbatị ụdaume n'abụ ọnwụ ha.

**Ngosi na Ntụcha Njiatụle**

N'ebe a, a na-enyocha abụ ndị ahụ bu ndọtị ụdaume na ụdaume ndị a dọtịrị na ha. Abụ ndị ahụ gụnyere:

**Abụ 1**
**Ọnwụ gị na onye ga-ebi?**

Ọnwụ eee
Ana m ajụ
Gị na onye ga-ebi ooo?
Ọnwụ eee
Ana m ajụ
Gị na onye ga-ebi ooo?

N'abụ nke mbụ a kpọrọ "Ọnwụ gị na onye ga-ebi?" a hụrụ mgbatị ụdaume "e" n'ahịrịabụ nke mbụ na nke atọ. Ebe mgbatị ụdaume "o" pụtara ihe n'ahịrịabụ nke atọ na isii. Ahịrịabụ ndị ahụ bụ:

Ọnwụ eee ………………………………………………………………………………….. 1
Gị na onye ga-ebi ooo? …………………………………………………………….... 3
Ọnwụ eee ………………………………………………………………………………….. 4
Gị na onye ga-ebi ooo? ……………………………………………………………….. 6

N'abụ nke 1, mgbatị/ndọtị ụdaume pụtara ihe n'ahịrịabụ 1 na 3 bụ /e/ nke sowere ụdaume /ụ/. Dịka ọ dị n'ụtọasụsụ Igbo, ahịrịabụ nke mbụ na nke atọ n'abụ 1 agbasoghi iwu ndakọrịta ụdaume. N'aka nke ọzọ, ahịrịabụ nke 3 na 6 n'abụ a nwere mgbatị ụdaume. A gbatịrị ụdaume /o/ nke nwere ndakọrịta ụdaume. /0/ sotere /i/, ha abụọ sitere n'otu "E" bụ ụadume arọ nke mere o jiri nwee ndakọrịta ụdaume dị ka iwu ụtọasụsụ Igbo siri dị.

**Abụ 2**
**Ụwa a**

Ụwa a eeee
Ọ bụ ọnwụ eeee
Onye eeee?
Onye eeee?
Onye karịrị ọnwụ?

N'abụ nke abụọ a kpọrọ **"**Ụwa a" a hụrụ ndọtị ụdaume "e" site n'ahịrịabụ nke mbụ ruo na nke anọ ya. Ahịrịabụ ndị ahụ bụ:

Ụwa a eeee ……………………………………………………………………………….. 1
Ọ bụ ọnwụ eeee ………………………………………………………………………... 2
Onye eeee? ………………………………………………………………………………... 3
Onye eeee?……………………………………………………………………………….... 4

N'abụ nke 2, mgbatị ụdaume pụtara ihe n'ahịrịabụ nke mbụ na nke abụọ agbasoghi iwu ndakọrịta ụdaume n'ihi ụdaume ikpeazụ r nwere tupuu mgbatị ụdaume si n'otu A ebe ụdaume ndị a gbatịrị, nke bụ /e/ si n'otu E.

**Abụ 3**
**Gaa Gwa Ndị Enyi Ya**

Ọg: Gáá gwà ndị ényì ya e e
Gáá gwà ndị ényì ya e e
Nkw: Nà ọ nāā ná
Gáá gwà ndị ényì ya e e
Gáá gwà íkwu nà ibe ya e e
Nà ọ nāā ná
Ọg: Ị gáá n'Àbá Ngwà
Ị gàghị ahụ ya ọzọ
Nkw: Gáá gwà ndị ényì ya e e
Gáá gwà íkwu nà ibe ya e e
Nà ọ nāā ná
Ọg: Ị gáá n'Énugwu
Ị gàghị ahụ ya ọzọ
Nkw: Gáá gwà ndị ényì ya e e
Gáá gwà íkwu nà ibe ya e e
Nà ọ nāā ná

A bịa n'abụ nke atọ, a kpọrọ "Gaa Gwa Ndị Enyi Ya" a ga-ahụ mgbatị ụdaume "e" n'ahịrịabụ nke mbụ, abụọ, anọ, ise, itoolu, iri, iri na ise na iri na isii.

Ọg: Gáá gwà ndị ényì ya e e ………………………………………………………………… 1
Gáá gwà ndị ényì ya e e ………………………………………………………………… 2
Gáá gwà ndị ényì ya e e…………………………………………………………………… 4
Gáá gwà íkwu nà ibe ya e e …………………………………………………………………... 5
Nkw: Gáá gwà ndị ényì ya e e ……………………………………………………………… 9
Gáá gwà íkwu nà ibe ya e e ………………………………………………………………… 10
Nkw: Gáá gwà ndị ényì ya e e ……………………………………………………………… 15
Gáá gwà íkwu nà ibe ya e e ………………………………………………………………… 16

Na mgbatị ụdaume niile pụtara ihe n'abụ 3, anyị chọpụtara na ha niile bụ otu "E" nke bụ ụdaume /e/. Mgbatị ụdaume pụtarakwara n'abụ 3 erubeghi isi n'iwu ndakọrịta ụdaume n'ihi na /a/ bụ ụdaume ikpeazụ tupuu enwe mgbatị /e/ esighi n'otu òtù ụdaume pụta.

**Abụ 4**
**Ómé ọyị**

O nwere ihe ójè enyè ọyị
Nyènụ nwánneē ya o o
Ée o nwere ihe ójè enyè ọyị
Nyènụ nwánneē ya o o

Ozu siwe usi
Ọyị ánáwa
Nwánne ánọrọ ànà
Béwé nwánnē ya o o

N'abụ nke anọ, aha ya bụ "Ómé ọyị" ụdaume a dọtịrị bụ "o". Nke a pụtara ihe n'ahịrịabụ nke abụọ, anọ na nke asatọ.

Nyènụ nwánneē ya o o…………………………………………………………………...… 2
Nyènụ nwánneē ya o o ……………………………………………………….………… 4
Béwé nwánnē ya o o ……………………………………………………….………… 8

N'abụ nke 4, enweghi ndakọrịta ụdaume. Ụdaume nke ikpeazụ bụ /a/ tupuu enwe mgbatị ụdaume sitere n'otu "A" ebe ụdaume a dọtịrị si n'òtù "E" pụta. Na ntụlekọrịta abụ 3 na 4, anyị chọpụtara na mgbe /a/ na-ekpe azụ, mgbatị ụdaume na-esote nwere ike ịbụ /o/ maọbụ /e/.

**Abụ 5**
**Nwanne ayị anwụlụ**

Og: Ányị nụlụ sị na nwánnē ayị nwụlụ
N'ébe ọ nọ nwụọ, móto áhà èrú yà
É bu nàta yá
Ụmụnnē yà na-ebé sọ akwa
É bu nàta yá
Ndị ényi yà na-ebé sọ akwa
Etie m si oko koo e e e
Ụmụnna ọ bụ ézìe na nwanne ayị anwụlụgo
Nkw: Ányị nụlụ sị na nwánnē ayị nwụlụ
Nà ébe ọ nọ nwụọ, móto áhà èrú yà
É bu nàta yá
Ụmụnnē yà na-ebé sọ akwa
É bu nàta yá
Ndị ényi yà na-ebé sọ akwa
Etie m si oko koo e e e
Ụmụnna ọ bụ ézìe na nwanne ayị anwụrụgo

A bịakwa n'abụ nke ise, a ga-ahụ na a dọtịrị ụdaume "e". A ga-ahụ nke a n'ahịrịabụ nke asaa na nke iri na ise. Lee ha:

Etie m si oko kooe e e ………………………………………………………………… 7
Etie m si oko kooe e e …..…………………………………………………………… 15

Mgbatị ụdaume pụtara ihe n'ahịrịabụ 7 na 15. Mgbatị ụdaume a gbasoro iwu ndakọrịta ụdaume n'ihi na /e/ a gbatịrị sotere ụdaume /o/ nke si n'otu òtù pụta, nke bụ otu "E".

**Abụ 6**
**Ọnwụ eyii m egwu**

Ọg: Ọnwụ nké à eyii m égwù
Nkw: Ká m gaa
Ọg: Ọnwụ nké à eyii m égwù
Nkw: Ká m gaa
Ọg: Ọnwụ mámá anyị èyii m egwu
Nkw: Ká m gaa
Ọg: Ébe onyè na-akwa mmadụ oo o
Nkw: Ébe ahụ ka ọ na-akwa onwe ya
Nkw: Ká m gaa

N'abụ nke isii a kpọrọ "Ọnwụ eyii m egwu", a dọtịrị ụdaume "o" n'ahịrịabụ nke asaa. Lee ya:

Ọg: Ébe onyè na-akwa mmadụ oo o ………………………………………………………… 7

**Nchịkọta**

Ndọtị ụdaume na-enye aka n'iwepụta mma dị n'abụ. Na nchọcha a, a chọpụtara na ọbụghị ụdaume niile dị n'asụsụ Igbo ka a na-adọtị n'abụ ọnwụ ndị Oko. Ụdaume ndị a na-adọtịkarị na-abụ ha bụ ụdaume "o" na 'e" nke bụ ụdaume arọ. A chọpụtakwara na a na-adọtị ụdaume ndị a ugboro ugboro n'otu abụ. N'ụdaume niile e nwere n'asụsụ Igbo, naanị abụọ ka a hụrụ a dọtịrị n'abụ ọnwụ ndị Oko ebe ndị ọzọ bụ A, I, Ị, Ọ, Ụ na U esoghị n'ụdaume ndị a dọtịrị. Site n'abụ ndị e ji mee njiatụle, a chọpụtara na ọtụtụ ụdaume ndị a dọtịrị na nke ikpeazụ ha na-eso anaghị erubeisi n'iwu ndakọrịta ụdaume. Nke a bụ maka na ụdaume a dọtịrị na ụdaume ikpeazụ anaghị esi n'otu òtù apụta.

**Nrụmaka**

Abrams, M. H. & Harpham, G. G. (2012). *A glossary of literary terms* (10th ed.). Boston: Wadsworth Cengage Learning.

Akaeze, C. M., Abọ, S. C. & Ugwuoke, P. E. (2021). *Ntọala ọdịnịịgha Igbo ọlọrọọhụrụ.* Obosi: Pacific Publishers Ltd.

Alkumet, S. R. (2021). The phonological analysis and alliteration of selected poems in the 1840s poetry. *Journal of The Iraqi University*, *52*(3), 465-475.

Amin, A. J., & Lutfi, A. F. (2023). Phonological signs and their interpretation in Dickinson's Mystic Poems. *Journal of Language Studies*, *4*(4), 495–519. https://doi.org/10.25130/jls.4.4.25

Ezeuko, R.O. (2009). *Ewumewu, omenaala, ofufe na nkwenye ndị Igbo*. Enugu: MAS Founders Publications Ltd.

Finnegan, R. (2012). *Oral literature in Africa*. Cambridge: Open Book Publishers.

Gordon, M. & Munro, P. (2007). A phonetic study of final vowel lengthening in Chickasaw. *International Journal of American Linguistics,* 73(3), 293–330. https://doi.org/10.1086/521729

Irele, A. (2001). *The African imagination: Literature in Africa and the Black Diaspora*. New York, NY: Oxford University Press.

Kastenbaum, R. (2007). *Death, society, and human experience* (9th ed.). Boston, MA: Allyn & Bacon.

Mahdi, W. A. (2023). A phonological study of alliteration in Williamblakes'selected poems. *International Journal of Humanities and Educational Research*, *5*(5).

Mosby. (2021). *Mosby's medical dictionary* (12th ed.). St. Louis, MO: Elsevier.

Nketia, J. H. K. (1974). *The music of Africa*. New York, NY: W. W. Norton.

Ogunba, O. (1997). *Traditional African drama and performance*. Ibadan, Nigeria: University Press.

Okpewho, I. (1992). *African oral literature: Backgrounds, character, and continuity*. Bloomington, IN: Indiana University Press.

World Health Organization. (2019). *International classification of diseases (11th ed.)*. Geneva, Switzerland: Author.